# ỌWỤWỤMMIRI NA ỌNWỤNWA NKE JISỌS
## Matiu 3:13-17; 4:1-11; Luk 4:14-32
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 17 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Guzogidenu ekwensu ọ gāgbapu kwa n'ebe unu nọ" (Jemes 4:7).**

**Nwaatụrụ Nke Chineke Ahụ**

"Le, Nwa-aturu Chineke, nke nēbupu mmehie nke uwa" (Jọn 1:29)! Site n'okwu niile ndịa nke náadịghị anwụanwụ Jọn kọwapụtara Kraist nime ijéozi Ya nke webatara oge nke amara.

Óké igwè mmadụ zukọtara ịnụ mkwusa nke Jọn, ọ wụwokwa ọtụtụ ndị chègharịrị echègharị mmiri nime Osimiri Jọdan. Otù ụbọchị ọ hụta n'etiti igwèmmadụ ahụ otù onye nke dị ichè. Jisọs naabịa ka awụọYa mmiri! Lee otú obi Jọn gaesiworị jupụta n'ọñụ mgbe ọ matara Ọkpara Chineke! Jọn ekwusaworị nye ndị ahụ na otù Onye nke dị ukwuu karịa ya onweya nke ukwuu gaabịa ma ugbu a Ọ nọ n'ebe a.

Jọn echèghị na ya ruru ogo ịwụ Jisọs mmiri, ma site na iwu Ya ha mmadụ abụọ wee baa nime mmiri "iji mezu ezi omume nile." Jọn naerubeere Kraist isi mgbe niile n'ihi na ọ matara na Ọ bụ Ọkpara Chineke. Mgbe anyị naamụ iheọ̀mụ̀mụ̀ a, anyị gaamụta otú Chineke si gosi Jọn eziokwu ahụ.

Jọn wụrụ Jisọs mmiri n'otù ụzọ ahụ o siri wụọ ndịọzọ, ma mgbe Jisọs siri na mmiri rịgopụta otù ihe nke náemebeghị mbụ mere. Mmụọ nke Chineke bịara náebekwasị Ya dịka nduru, ọzọ kwa anụrụ otù Olu site n'Eluigwe nke náasị "Onye a bu Ọkpara M'huru n'anya, Onye ihe-Ya dim ezi nma" (Matiu 3:17). Ị gaechèworị na ha niile gaekwere na Jisọs mgbe ha nụrụ olu nke Chineke, hụ kwa nduru ahụ; ma ọ bụghị ha niile nwere obi ziriezi.

Jọn bụrị onye amụma, ma Chineke agwawo kwa yarị na Onye ọ bụla ọ gaahụ ka Mmụọ Nsọ naebekwasị ma náanọgide kwa bụ Mesaia ahụ. Jọn na ndị náesoụzọ ya nọ n'ebe ahụ mgbe o mere; ha hụrụ kwere kwa. Jọn sịrị, "Mu onwem ahuwo kwa, gba kwa àmà na Onye a bu Ọkpara Chineke" (Jọn 1:34).

**Atọnimeotù ahụ Nke dị Nsọ**

Anyị nwere ezigbo ihe ngosi nke Atọnimeotù nime iheọ̀mụ̀mụ̀ a - ụdị atọ ahụ nime isi Chineke. Chineke Nna kwuru okwu site n'Eluigwe nye Chineke Ọkpara nke sitere na mmiri náarịgota, ebe Chineke Mmụọ Nsọ naefekwasị Jisọs dịka nduru. N'ikpeazụ Jisọs kpọrọ Mmụọ Nsọ ahụ Onye Nkasịobi, we kwe kwa mkwà na mgbe Ya Onweya lara na Onye Nkasịobi ahụ gaabịa binyere ha. Jisọs kpọkwara Mmụọ Nsọ ahụ mmụọ nke Eziokwu nke gaèchébe ndị náesoụzọ Ya ma duba kwa ha n'eziokwu niile.

Mmụọ ahụ dị nwayọ dịka nduru. Ọ gaghị aba nime obi n'adịghị ọcha. Ma ọ bụrụ na asachara anyị nime Ọbara nke Jisọs, anyị onweanyị, gaanata kwa Ya. Mgbe Ọ batara, anyị naejupụta n'óké ịhụn'anya na ọñụ na ihe niile dị nime obi nke Jisọs. Mmụọ Nsọ ahụ bụ Onye, Ya na Jisọs bụ kwa otù. Ọ naewere ọnọdụ náání n'obi ahụ ebe Jisọs nọ.

**Iri ụbọchị Anọ Nke Ule**

Ọ bụ ezie na Mmụọ Nsọ arịdakwasịwo Jisọs ma o jikerebeghị ịmalite ijeozi Ya. Oge nke ọnwụnwa dị n'iru Ya. "N'ihi na ebe Ya onweya hụworo ahụhụ site n'ọnwụnwa anwara Ya, Ọ pụrụ inyere ndị anānwa aka" (Ndị Hibru 2:18).

Onye ọ bụla nke chọrọ ịlụrụ Chineke ọlụ aghaghị ịgabiga oge nke ule. Onyenweanyị chọrọ ịnwapụta anyị ịmata ma anyị zubesiri ike maọbụ na anyị ezubesịghị ike ime ihe anyị kwuru mgbe anyị gwara Ya na anyị "gaaga ụzọ ahụ niile" ma mee kwa ihe ọ bụla Ọ chọrọ ka anyị mee.

Mmụọ Nsọ duru Kraist baa n'ọhịa ebe Ọ nọrọ iri ụbọchị anọ, náání Ya na anụọhịa dị icheiche, náenweghị kwa iheoriri. N'ezie agụụ gụrụ Ya mgbe O buru ọnụ ogologo oge ahụ, Ekwensu wee cheé: Nke a bụ ohere m'nwere. N'ọge ahụ adịghịike nke Onyenweanyị bụ agụụ ahụ nke naagụ Ya, Ekwensu wee sị Ya na ọ bụrụ na Ọ bụ Ọkpara Chineke n'ezie, Ya mee nkume niile ahụ ka ha ghọọ achịcha, n'ihi na Jisọs pụrụ ime ihe niile. Ma O nweghi nzube irubeere onye ọnwụnwa ahụ isi.

**Mmaagha Nke Mmụọ Nsọ Ahụ - Okwu Ahụ**

Onyenweanyị gosịrị anyị otú anyị gaesi guzogide Ekwensu. Mgbe ekwensu chọrọ ka O mee achịcha, Kraist zaghachiri ya site n'okwu dị nime Akwụkwọ Nsọ. Ọtụtụ narị arọ garaaga ka Moses gwara ụmụ Israel na "ọ bugh nání achịcha ka madu gēji di ndu, kama ọ bu okwu nile ọ bula nke nēsi n'ọnu JEHOVA puta ka madu gēji di

ndu" (Deuteronomi 8:3). Ọ bụrụ na anyị mụtara ihe dị n'Akwụkwọnsọ, anyị gaaza onye iro n'otù ụzọ ahụ mgbe ọ naeji ọnwụnwa bịa. Ọ dị mkpà na anyị ganaamụ Baịbụl wee mara mkwà niile nke Chineke kwere anyị.

Nááńí n'ihi na emeriri ekwensu n'otù agha nke o busoro Jisọs emeghị ka ike gwụsịa ya. Iheọzọ bụ na o kuru Ya guzo Ya n'elu akụkụ Ụlọukwu Chineke nke dị na Jerusalem wee gwa Ya ka Ọ tụda Onweya n'ala. Ọ sịrị na ọ bụrụ na Jisọs bụ Ọkpara Chineke n'ezie, Nna Ya agaghị ekwe ka O merụarụ. Ọ matara na Devid bururị amụma banyere Jisọs na ndịmmụọozi gaekuru Ya n'elu ọbụaka ha ka Ọ wee ghara ịkpọbi ụkwụ Ya na nkume (Abù Ọma 91:12). Jisọs ma kwaara ahịrị ahụ nime Akwụkwọnsọ; ma Ọ mara karịa nke ahụ. O jiri okwu ahụ zaghachị kwa ọzọ: "Anwala Onye-nwe-ayi Chineke gi."

Ekwensu achọghị kwa ịrapụ Jisọs. Rue nááńí mgbe anyị gaarapụ ụwa nke a, onyeiro nke mkpụrụobi anyị agaghị kwa ezùike ịchọ ụzọ ọ gaesi tụgharịa nzọụkwụ anyị site n'iso Onyenweanyị. Ma anwakwara Jisọs n'ụzọ niile ahụ esi anwa anyị, ma O kwewo mkwà inyere anyị aka imeri ọnwụnwa ọ bụla ọ bụrụ na anyị legide Ya anya maka inye aka.

Ekwensu kuru Jisọs rịgo n'ugwu dị nnọọ óké elu ebe ha nwere ike ịhụ alaeze niile nke ụwa. Ajọ onye ahụ matara na ọtụtụ mmadụ gaere mkpụrụobi ha inwe àkụ̀ na ike, o wee chọ ịhụ́ ma Jisọs gaeme otú ahụ. Ma ọ bụghị oge dịrị Jisọs ịchị alaeze nke anya naahụ́ n'eluụwa -- ọzọ, wezuga ihe niile, mgbe oge ahụ gaabịa, ọ bụ Chineke, ọ bụghị Ekwensu, gaenye Ya ike ahụ.

Ekwensu asọghịanya ịgwa Jisọs ka Ọ da n'ala kpọ isiala nye ya. Anyị apụghị ịhụ́ otú onye ọ bụla gaesi chọọ ịkpọ isiala nye Ekwensu; ma enwere ọtụtụ mmadụ nime mba dị icheiche, ọbụná n'obodo nke anyị, ndị náakpọ isiala nye ajọmmụọ dị icheiche náewukwara ha ụlọukwuu dị icheiche. Ọbụná mgbe ụfọdụ ha naeji ụmụ ha chụọra ajọ onye ahụ àjà. Ma Jisọs kwuru, "Onye-nwe-ayi Chineke gi ka ị gākpọ isi-ala nye, ọ bụ kwa nání Ya ka ị gēkpere."

**Onye Mmeri**

Mgbe ọnwụnwa niile ahụ gasịrị ike gwụrụ Jisọs nke ukwuu ma o meriwo. Mgbe awụsịrị Jisọs mmiri Chineke kwuru na ihe Ọkpara Ya dị Ya ezi mma, ma lee otú ọ gaesi dị Ya mma karịa ugbu a mgbe Ọ hụrụ na Onyenzọpụta anyị emeriwo onyeiro ahụ n'ụzọ dị ebube. O zidatara mmụọozi ijéré Ya ozi na ịgbà Ya ume. Onyenweanyị naenwe kwa obiụtọ n'ebe ụmụ Ya nọ. Mgbe ha meriri onye ọnwụnwa ahụ. Ọ na ezite kwa ọtụtụ ngọzi dị mma dịka ụgwọọlụ ha.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Jọn ò chere na ya ruru ogo ịwụ Jisọs mmiri?
2. Ì chèrè na Jọn ahụwo Jisọs mbụ tutu Ọ bịa ka awụọ Ya mmiri?
3. Ònye bụ onye rịdakwasịrị Jisọs dịka nduru?
4. Ì chèrè na Jisọs pụrụ ime ka nkume ghọ ogbe achịcha?
5. Mgbe Jisọs sịrị, "Laba Setan …." ayi guru na "ekwensu rapuru ya" Gịnị ka nke a naakụziri anyị?
6. Gịnị naeme mgbe ọ bụla mmadụ naesoro àtụ̀mààtụ̀ Ekwensu?